ỤGWỌỌLỤ NKE OKWUKWE NA ỊNỌGIDESIIKE

Matiu 15:21-31; Mak 7:31-37

IHEỌMỤMỤ 96 – Nke Ndị etiti

AMAOKWU IBUN'ISI: "Okwukwe-gi di uku: ka emere gi dika ị nāchọ" (Matiu 15:28).

Ịrị ọarị rị ọ Maka Inyeaka

Jisọs abawo n'ajọ obodo nke ndi Taia na Saidon, ebe otù nwanyị bịakutere Ya náarịọ ka O nyere ya aka. Ọ bụghị onye Israel kama onye Mbaọzọ, oge ụfọdụ anaakpọ ya nwanyị Sairo-Finisia, n'ihi na o biri na Finisia nke akụkụ obodo Siria. Jisọs ka Chineke ziteworo nye ndị Israel, maọbụ ndị Ju, ndị ahụ Chineke rọpụtara. Mgbe Jisọs zipụrụ ndị náesoụzọ Ya iwu enyere ha bụ ka ha jee kwusaara ndị Ju, ọ bụghị nye ndị Mbaọzọ (Matiu 10:5, 6). Emesịa, ndị náesoụzọ Ya kwusakwara nye ndị Mbaọzọ otù aka ahụ (Ọlu Ndị-ozi 15:7), n'ihi na Jisọs bịakutere ndị nke aka Ya ma ha anabataghị Ya (Jọn 1:11).

Eleghịanya nwanyị a anụwo banyere ọtụtụ ndị Jisọs gwọrọ. O nwere okwukwe na Ọ pụrụ ịgwọ nwa ya nwanyị, nke nrịanrịa jisiriike. Akọwaraghị anyị ụdị ọrịa maọbụ mmekpaarụ nke ekwensu tinyere n'arụ nwa agbọghọ a, kama nke a egbochighị ihe ọ bụla maọlị. Jisọs nwereike ịgwọ ụdị ọrịa niile ọ bụla. O nweghị ọrịa maọbụ nrịanrịa, náagbanyeghị ịdị ọjọọ ya, pụrụ iguzogide Ọbara nke Jisọs.

Enweghị Agbamume

Nwanyị a kpọkuru Jisọs ka O mere ya ebere. Ndị náesoụzọ Ya gbalịrị ime ka o kpuchie ọnụ n'ihi na ọ bụghị nwanyị onye Ju. Eleghịanya o chere na ọ nụghị olu ya ebe Jisọs náazaghachighị ya otù mgbe ahụ. N'ụzọ dị otú a, o nyere okwukwe ya ohere ịlụ ọlụ ebe o tinyere ya n'ule. Ụfọdụ mmadụ nwereike iwere igba nkịtị ahụ n'ịbụ ngọnarị nye arịrịọ ya, kama emeghị ka ọ daa mbà ngwangwa. N'ikpéazụ Jisọs gwara ya na ezitere Ya nye ụlọ Israel, ndị Ju. Ma o jisịrịike, wee rịọ kwa ọzọ. O kwetara na Jisọs bụ Mesaia, maọbụ Onye ahụ Ekwere ná Mkwà nye ndị Ju, n'ihi na ọ kpọrọ Ya "nwa nke Devid." O kweere na Ọ bụ Ọkpara Chineke zitere ịbụ Onyenzọpụta (Luk 2:11; Jọn 3:16).

Ekpere ya etoghị ogologo ma o doro anya, n'ihi na o kwupụtara mkpà ya wee kọọrọ Ya ihe ọ chọrọ. Ọ kpọrọ isi ala nye Ya wee sị "Onye-nwe-ayi nyerem aka." Chineke pụrụ ịnụ ekpere dị mkpirikpi na nke dị kwa ogologo. Ọ bụ nnọọ ụzọ o si kpee ekpere bụ ihe metụtara obi nke Onyenzọpụta. Ekpere ya bụ, "Nyerem aka." Ọ ghọtara mkpà Ya; mgbe Jisọs naagwọ ndịọzọ, ọ chọghị ka Ọ gabiga ya na nwa ya nwanyị.

Ekpere nke Onyemmehie

Azọpụtawo ọtụtụ ndịmmehie mgbe ha kpereekpere dịka nwanyị a. Ụfọdụ ekwurughị okwu ka nwanyị a kama ha jiri ezi mmụọ nke nchègharị wee bịa. O doro ha anya na ha chọrọ inyeaka na ọbụ kwa náánị Chineke bụ Onye pụrụ inyere ha aka. Dịka ha kwetara ọnọdụ amamikpé nke ndụ ha n'iru Onyenweanyị wee rịọ maka inyeaka udo nke Eluigwe mejupụtara obi ha. Ha matara na agbagharawo ha wee zọpụta ha pụọ ná mmehie ha niile.

Ọzịzá Jisọs zara ya bụ ihe gosịrị ya na o rughịeru maọbụ kwesịekwesị, n'ihi na ọ bụghị onye Israel, na kwa áká ezipụghị Oziọma nye ndịọzọ. Ọ sịrị na ọ dighị mma ịnara nri ụmụ tụpụrụ ụmụ nkịta. Ọ ghọtara ihe Onyenweanyị kwuru ma nke a ewuteghị ya n'ihi na Ọ gụnyere ya ka nkịta. Ụfọdụ mmadụ naenwe mwuta ngwangwa site n'inwe nkọwa náezighị ezi nye okwu ahụ, wee pụọ náenwe ihemgbu nime onweha. Site kwa nime nke a ha naetufu ngọzi niile Chineke kwadobeere ha dịka anaagaghị agwọworị nwaagbọghọ ahụ ma asị na nne ya were iwe wee laa.

Nwanyị ahụ achọghị ịnapụ ndị Ju ihe ha chọrọ, dịka nzaghachi ya gosịrị. Ọ sịrị Onyenweanyị na ya chọrọ nke ahụ erifọrọerifọ, maọbụ ihe ndịọzọ jụrụajụ. Ọ dị onye gaajụ inye nkịta irighirinri. N'obi dị umeala ọ rịọrọ ma ọ gaenweta inyeaka site na Ya nke ndịọzọ jụrụ ịnara.

Ụgwọọlụ nke Okwukwe

Ọbụghị ịrụụka nyere ya mmeri n'ebe Onyenweanyị nọ; ọbụ okwukwe ya bụ ihe wetara ngọzi nke ọgwụgwọ nye nwa ya nwanyị. Site ná ijidesiike na ịnọgide n'ekpere, o gosịrị na ya nwere okwukwe. Jisọs sịrị na ọ bụ nwanyị okwukwe ya dị ukwuu, na enyewo kwa ya ihe ọ rịọrọ.

N'ihi na o jekuuru Jisọs, wee kpee ekpere nke okwukwe, agwọrọ nwa ya n'otù ntabianya. Ọrịa ahụ lara; ibuarọ nke mkpà na nke ezughị ike ka anapụrụ nne nwata ahụ. Náagbaghị agụgọ, ka ọ naecheta mkparịtaụka ya na Jisọs, ọ ghọtara na ọ gaghị anata ọzịzá arịrịọ ya ma ọ bụrụ na ọ dara mbà ngwangwa. Lee óké ọñụ ọ gaenweworị na ya kpebisịrị ike, na ya nọgidere n'ịrịọ rue mgbe azara ekpere ya.

Ụfọdụ mmadụ naada mbà tupu ha anata ngọzi. Ha nwereike náachọ iru Chineke maka ọgwụgwọ ọrịa n'ihi arụ mgbu ha, maọbụ náachọ Chineke maka nzọpụta, maọbụ otù nime onyinye amara dị omimi. Eleghịanya Chineke

naanwapụta okwukwe ha, ma ha naagbapụ naanataghị ọzịa ekpere ha kama ichere nwaoge ntà. Ka anyị nwee mkpebi ịdị ka nwanyị a, onye gosipụtara okwukwe ya n'ebe Onyenweanyị nọ site n'ịnọgidesiike, mkpebi na ikpeekpere náewepụghị aka.

Enyere Chineke Otuto

Emesịa Jisọs rịgoro n'otù ugwu nke dị nso osimiri Galili, ọtụtụ mmadụ wee bịakute Ya ka Ọ gwọọ ọrịa ha. Ha jupụtara n'ọrịa dị icheiche, dị kwa ọjọọ. Inyeaka adịghị nye ndị náadịghị ahụ ụzọ, maọbụ náenweghịike ịnụ ihe, maọbụ náapụghị ikwuokwu, maọbụ ndị náapụghị ijéijè -- inyeaka ọzọ adịghị ma ọbụghị na Jisọs. Ọ bụghị ihe ijuanya na ha nyere Chineke otuto mgbe ha hụrụ ndịa náapụghị inyere onweha aka, ka ha naahú ụzọ n'ezie, náanụ ihe, náekwuokwu wee náejeijè mgbe Jisọs nyere iwu.

"Ghere oghe"

N'isi nke asaa n'akwụkwọ Mak, ka anyị naagụ maka otù nwoke nke naadịghị ekwu okwu nkeọma, o nweghị kwa ike ịnụ ihe. Jisọs kupuru ya iche n'ebe igwè mmadụ ahụ nọ ka ha wee nọdụ iche. O metụrụ ntị ya na ire ya aka bụ akụkụ arụ ya ebe nsogbu ya dị. Jisọs lere anya n'Eluigwe ka Ọ naekpeekpere sị: "Ghere oghe." Ngwangwa nwoke ahụ malitere ịnụ ihe na ikwu okwu. Ibobo nwụbigara ọra mmadụ ahụ n'arụ óké n'ihe ịrịbaàmà Jisọs mere. Nwanyi Sairo-Finisia enweghị mgbagwoju anya ọ bụla n'ihi na o nwere okwukwe; o lere anya na Onyenweanyị gaagwọ nwa ya nwanyị.

Anyị adịghị akwụsị inwe mmetụta dị ebube na itò Chineke n'ihi ọlụ ịrịbaàmà nke Ọ naalụrụ anyị taa, ma nke a adịghị abụrụ anyị ihe ịtụn'anya. Enwere ụdị ọgwụgwọ abụọ nime Ọbara Jisọs, ọgwụgwọ ọrịa nke arụ na nke mkpụrụobi. Ọ pụrụ, ma naagwọ kwa ọrịa náazọpụta kwa ndị náala n'iyi (Aisaia 53:5). Mgbe arụ náadịghị ndị nke Chineke ike anaenye ha ndụmọdụ ka ha tụkwasị Onyenweanyị obi. Ọ gaeme ka ha bilie site n'ekpere nke okwukwe (Jemes 5:14, 15). "Mu onwem bu JEHOVA Nke nēme ka aru di gi nma" (Ọpupu 15:26). "Ha di ọtutu bụ ihe ọjọ nke nādakwasi onye ezi-omume: ma n'aka ha nile ka JEHOVA nāna puta ya" (Abụ Ọma 34:19).

Ntị Ochichi nke Imemmụọ

Ọtụtụ mmadụ dị n'ụwa taa ndị dị ka nwoke a. Ntị imemmụọ ha echiwo, ha dakwara ogbi. Ha adịghị anụ Okwu Chineke; ha adịghị ekwu kwa ihe banyere Chineke na ngọzi Ya niile. Ná ntị nke anụarụ, ha naanụ ihe, ma ha adịghị ege ntị olu Chineke. Ọ bụ ezie, ha apụghị ikwu banyere otuto na ebube nke Chineke tupu rue mgbe ha nụrụ banyere ha wee lezie anya n'ihe ha nụrụ.

Ọ dị ụfọdụ ndị náeje chọọchị ma náege ntị n'Okwuchukwu niile ma ha adịghị anụ ihe nke imemmụọ dị n'Okwu Chineke. Onye iro nke mkpụrụobi ha, bú setan, emechiwo ntị ha nye Oziọma ahụ. Ọ dighị kwa ọgwụgwọ ọzọ dịrị ntị ochichi nke imemmụọ, ma Jisọs pụrụ ịgwọ wee zọpụta kwa. Ha kwesịrị ijekuru Jisọs ka ha na Ya nọdụ ná nzuzo, ka O wee meghee ntị ha, ka ha wee nụ eziokwu niile nke Oziọma. Mgbe ahụ ka otuto Chineke gaejupụta n'egbugbereọnụ ha, n'ihi na agaatọghepụ kwa ire ha. Ọgbụgbaàmà ha gaabú "O mewo ihe nile nke-ọma" (Mak 7:37).

AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Gịnị mere nwanyị ahụ ji kpọkue Jisọs?
2. Gịnị mere o ji kpọọ Ya "nwa nke Devid"?
3. N'ihi na o jisiriike n'ekpere, òlee ihe ọ natara?
4. Oge ra añaa ka o were Jisọs iji gwọọ nwa agbọghọ ahụ?
5. Ụdị ọrịa dị añaa ka ndịọzọ ahụ bịakutere Jisọs maka ọgwụgwọ nwere?
6. Gịnị kpatara ibobo ji nwụọ ìgwèmmadụ ahụ n'arụ?
7. Gịnị ka ndị ahụ mere mgbe Jisọs gwọsịrị ndị arụ ha náadighị ike?
8. Gịnị ka anaachọ n'aka mmadụ mgbe ọ naejekuru Jisọs maka ọgwụgwọ?